| | | |
|---|---|---|
| ERIMERI | | |
| **Eu nyere nde Euro iri na ato maka atumatu oru Erimeri uwa n'Afrika**<br>Atumatu oru erimeri uwa n'Afrika nwetara enyem aka ego site n'aka European Union na nso nso-a | **3mins. 7 secs.** | **3** |
| NDI INYOM NA UMUAKA | | |
| **Umu nwanyi Liberia ekwuole na ha agaghi ekweta isonye na nme mme o bula.**<br>Umunwanyi Liberia ka kwu ebe ha kwu maka nhiwe iwu ga-akwado ha iketa oke ruru ho. | **5mins. 6secs**. | **3** |
| **Onuogugu umuaka di nde iri na otu n'anwu n'hi oria nwere mgbochi.**<br>Nchikota onu ogu Umuaka n'anwu onwu ike site n'oria n'uwa dum di ka, ebe atulere ugboelu Boeing 747 buu nani Umuaka na erubeghi afo ise na-enwe ihe oghom kwa hour obula. | **5mins. 16secs.** | **5** |
| **Ndi ndu umunwanyi Afrika n'akaparita uka gbasara ihe ha ga-eme maka odimma ha**<br>Na ngwucha ogbako ukwu umunwanyi mba di iche-iche n'uwa mere 'na Zambia. Na nso-nso a, enwere nchekube na ezigbo onodu maka mgbanwe odimma ndi inyom ga-adi. | **11mins.** | **6** |
| AKU NA UBA | | |
| **Ndi ogbenye noo na etiti anyi**<br>N'agbanyeghi oganihu ana enwe n'onodu ndu ndi mmadu, otu International Monetary Fund sii na, odighi mfe ime ka uba zuo onye o bula onu n'uwa mgbe na adighi anyi. | **7mins. 5secs.** | **4** |
| **Ulo oru itumgbere ahia nta dika agalaba ji ntolite aku na uba n'ala Naijiria**<br>Atumatu banyere igba ndi oru itumgbere ahia ume iji nyere ha aka mezigharia onodu aku na uba Nigeria ga aputa ighe mgbe na adighi anya. | **11mins. 2secs.** | **10** |
| AHUIKE | | |
| **Zimbabwe ga-amalite nyocha ogwu AIDS**<br>Zimbabwe n'atu anya I mata ogwu ndi ahu na-adaghi oke onu ahia achoputara maka mbuso oria AIDS agha. | **4mins. 3secs.** | **5** |


## *Gburu-Gburu Obibi*


| | | |
|---|---|---|
| MMETO EBE OBIBI | | |
| **Iji mmiri ogwu aru oru ugbo etu o na ekwesighi na egbusi umu anumanu**<br>Burkina Faso amachiele iji ogwu akporo Phytosanitary agwo oria umuanumanu n'ihi otu nari umu amumanu nwuru site na nsi nke usoro-a butere. | **3mins. 9secs.** | **4** |
| **Okpomoku di n'uwa dum na-enye mbikota onu ajo mmekpa ahu.**<br>Akuko eweputara ohuru-a doro aka na nti kwuo na, okpomoku n'abawanye n'ime uwa niile, nwere ike ibutere otutu umu anuohia na osisi di iche-iche onwu. | **5mins. 4secs.** | **7** |
| **Ulo oru buu akwaa akwuru maka mmeputa ngwa ahia ga-enye aka n'oru mgbochi mmeto ebe obibi**<br>United Nations Environment Programme, atuputala usoro o ji awagide oru mbuso mmeto ebe obibi agha. Akuko enwetara na mbido kowara na-enweele oganihu buru ibu n'okwu a. | **9mins. 7secs**. | **11** |

| | | |
|---|---|---|
| **UNEP awagidele oru ngo gbasara onodu mmeto gburu-gburu ebe obibi nke ga ewee ya otutu nde dollar**<br>Otu jikotara mba uwa niile, di njkere iwagide oru ngo ga-ewe ya nde dollar ise iji choputa onodu mmeto gburugburu ebe obibi noo n'akuku uwa dum. | **8mins. 2secs.** | **8** |
| NCHEKWA NDU<br>**Osisi eji agwo oria foduru obere ka Okpochapu**<br>Otu osisi di na South Afrika ana akpo Winter Impala Lily noozi onodu mkpochapu. Nke a ga-ebutere ndi oru nchekwa ndu umu anumanu na osisi tinyere ndi dibia mkpa akwukwo ebe ahu oke okum ahia. | **6mins.** | **6** |
| **Egypt n'agbasi mbo ike izoputa Mbekwu ya Noo n'onu onwu.**<br>Otu kwuru onwe ya n'ahu maka nchekwa ndu umu anu ohia na osisi e nwetala oganihu ahuru anya n'oru ncheka Mbekwu Egypt onodu ya noo n'oke ihe ituegwu. | **11mins. 9secs.** | **9** |


## *Onu Ogugu……*


| | | |
|---|---|---|
| AHUIKE<br>**Gini ka o ga-ewee I ji nweeta ezigbo onodu ahuike N'Afrika?**<br>Otutu mba n'ala Afrika enyebeghi okwu ahuike nlebara anya puru iche ruo taa. | **2mins.** | **12** |
| ODACHI<br>**Nguko onu ihe oke idemmiri mebiri na Mozambique**<br>Otu jikotara uwa niile ngalaba n'ahu maka erimeri, na-egosiputa onodu ojoo nke ajoo idemmiri butere na mba Mozambique na nso nso a. | **4mins.** | **12** |


## *Nkwekorita……..*


| | | |
|---|---|---|
| AHUIKE<br>**Ndi Egwuregwu Olympic Mba Afrika Kwadoro Atumatu mgbochi na ogwugwo oria iba.**<br>Otu oru ahuike Mba Uwa, ji ndi egwuregwu Afrika, n'oge Olympic a agbasara oha na eze ozi gbasara nsogbu oria iba nke na-ebuso ala Afrika agha. | **3mins. 9secs.** | **13** |
| **Mbuso Oria AIDS agha enwetala agbam ume na Naijiria**<br>Otu otu enwere na mba UK ekwele nkwa ego di, Nde British Pound-asaa iji nye aka buso oria odurunaja-ocha agha na Naijiria. | **2mins.** | **13** |


## *Oge akaraka…….*


| | | |
|---|---|---|
| MGBARU EBE OBIBI<br>**Canada ga-akwoo Mba ndi Ozo Obia N'ogbako Omumu ihe Maka Nruputa Akorongwa di ocha.**<br>I ga n'ihu n'ogbako Earth summit emere na Rio, Canada ga-ele mba ndi ozo n'uwa dum obia maka ogbako ukwu agba nke isii aga eme maka nruputa akorongwa di ocha. | **1mins.** | **13** |


## *Ngalaba Umuaka*


| | | |
|---|---|---|
| **Mgbada, Onye ako na Uche Megidere Enyiohia na Hippopotamus**<br>Mgbada gosiri na, ako na uche bu ngwa kachaa ike eji ebuso onye iro agha. | **9mins. 5secs.** | **14** |


## *Okwu Mmechi*


| | | |
|---|---|---|
| Were okwu amanihe Afrika I mutara n'ufodu ilu na-enweghi nchefu mere ihe. | | **15** |

# *Akuko*

**Umu Nwanyi Liberia sii na ha agaghi ekweta Iso nye na nme-nme o bula 5mins. 6secs.**
Na Monrovia, Umu nwayi Liberia tinyere oriaku onye isi ochichi Mba ahu bu Jewel Howard – Taylor emeele ka amata na ndi inyom agaghi eso eme emume obula oha na eze na eme nke akporo ha oku ya wee ruo mgbe ehiwere iwu zuru oke ga- enye ha ikike inata oke ruru ha. Umu nwanyi Liberia mere mkpokua n'ulo isi ochichi obodo ahu site na mkpesa isii ha kpesarala ndi otu ulo nzuko omeiwu Liberia. Mgbe ha meechara mkpesaa gbara okepurukpu, ha gara njeghari ikwu na ahiri iji gosiputa idi n'otu na- etiti ha na agbanyeghi ikiti mmiri mara ha n'okporo uzo Monrovia ubochi ahu.

Otu n'ime mkpesa umunwanyi a mere bu maka ihe di iche n'ime iwu enwere gbasara nchekwa ikike nke iwu govamenti nyere umunwanyi noo na di na ndi nke di ha nwuru anwu ya na,ikike nke iwu omenala nyere umunwanyi noo na di na ndi nke di ha nwuru anwu.

Ha kowara n'iwu ndi a nwere ikpa oke na-etiti ha abuo maa megide onodu idi n'otu di ka edere ya n'akwukwo iwu. Umunwanyi a choro ka ejikota iwu niile mekutara umunwanyi isi-mkpe onu.

"Anyi choro ka oge nwoke kwesiri itozu oke ilu nwanyi buru afo iri abuo na otu ebe nwanyi ga etozu oke ilu di n'afo iri na asato di ire n'iwu govamenti na nke omenala" Nke – a ka umunwanyi a kowara. Ndi inyom a gara n'ihu kpesa na ha agaghi akwado nhoputa ndi nwoke n'okwa oru oha obodo obula okachasi n'okwa oru omeiwu maa oburu na, ndi nwoke ebughi odimma umunwanyi n'uche. Oriaku onyeisi ochichi Mba Liberia bu, Jewel Howard -Taylor siri na, obi adighi umunwanyi mma n'ihi na, akwukwo mkpesa ha anuola n'aka ndi ulo nzuko omeiwu karia otu afo.

Na nzahachi okwu ya n'aha ndi ulo nzuko omeiwunta, onye-isi-oche ulo nzuko a bu Nyudueh Morkonmana na onye isi. Oche nke ulo nzuko omeiwu senate buu, pro Tempore keikura kpoto kwere umunwanyi ndia nkwa na ha ga-eme ihe obula ha puru ime iji debaa mkpesa ha n'akwukwo iwu mgbe n'adighi anya. Nme nme njeghari na mkpesa-a bu agba nke abuo ejiri cheta ubochi ime ihe ekwuru na ime ka oha na eze mata oke ruru umumwanyi. Isi okwu ejiri mee emume a bu "Oke ruru onye o bula iha n'otu"

**Eu enyele Nde Euro iri na ato maka Atumatu Oru Erimeri Uwa N'Afrika 3mins. 7secs.**
European Commission ekwuputala na ya eweputa kwuole nde Euro iri na ato maka atumatu oru erimer uwa World Food Programme (WFP) N'ime Mba di iche-iche n'ala Afrika. Di ka okwu ulo oru a kwuru unyaahu, Nde Euro iri na ato-a bu nke agbakwunyere na Nde Euro iri itolu o weputara n'onwa Julai. European Commission nyekwara ego onyinye gbara okpurukpu maka erimeri site n'aka. Channels karia I site n'aka WFP. N'abali iri na asato nke onwa Julai 2000 ka ulo oru a kpebiri inye WFP Nde Euro iri itolu iji nwee erimeri ga ezuru ndi Afrika ugbua. Ego a bu nke aga eji zuta erimeri mkpuru osisi di, otu nari puku tonne na tonne iri ise na ano, puku tonne asaa na nari tonne mmanu eji esi nri ise na otu puku tonne sugar tinyere ngwa ndi ozo di iche-iche.

Akuko a gara n'ihu kowaa na, ulo oru-a e nyele ego kariri Nde Euro ato na uma kemgbe afo gara aga ruo taa site n'aka United Nations High Commission for Refugees di ka oru enyem aka obiebere maka ndi gbara osondu site Mba Democratic Republic of Congo n'Angola gbagaa Zambia. Ego a ga-enyere UNHCR aka ikwudosike n'oru ahuike mmri onunu tinyere njeghari ndi a gbara oso ndu
*The Post of Zambia.*

**Iji mmiri ogwu aru oru ugbo n'uzo na-ezighi Ezi na-ebusi umu anumanu 3mins. 9secs.**

Ndi isi ochichi mba Burkina Faso amachiele iji ogwu akporo phytosanitary agwo anumanu oria. O bu n'ihi onwu umu anumanu di otu nari nwuru site na nsi na-agbata onwa Junu na Julai n'ime obodo Mouhoun mere ka ndi ochichi magide ogwu a iwu. Di ka onye regional Director n'ulo oru n'ahu maka odimma umu anumanu na mpaghara Central Western Zone Alexandre Sawadogo siri kwuo, phytosanitary bu ogwu emere maka nani oru ubi, o doro aka na nti kwuo na, onye obula gbara isi akwara n'iwua ga-ata ahuhu diri ya.

N'ime akuko agbasara n'ikuku site a'ulo oru Radio di n'ime obodo, onye ngalaba oru nlekota umu anumanu di n'aka na mpaghara obodo ahu siri na, umuanumanu ejiri ogwu emeputara site na phytosanitary gwoo oria na anwuyupu anya. O siri na, ndi n'azu umu anumanu n'ulo jiri ogwu-a gwoo anumanu ha oria na igbu akuru na-akwu anumanu ndia n'akpukpo ahu.

Ngalaba ulo oru-a mere ka ndi-a n'azulite umu anumanu mata nsogbu ogwu a na-ebutere ahuike umu anumanu na mmadu. Di ka onyeisi oru nlekota umu anumanu ebe ahu siri kwuo,anumanu onu ogugu ha di iri ano na itolu nwuru n'obodo kossi, nari kilometer ato na iri kilometer isii na mpaghara Odaanyanwu nke Ouagadougou, iri anumanu abuo na ise nwuru na Bale (nari kilometer abuo na iri kilometer ise nke odaanyanwu Ouagadougou) mgbe ejiri ogwu 'Cypercal 50', mmiri ogwu emere maka osisi owu gwoo ha oria .

Na mpaghara obodo Sourou (ihe dika nari kilometer ato n'akuku odaanyanwu Ouagadougou), iri anumanu abuo na asato nwukwara ebe ahu n'ihi nsi-a ka enyechara ha ogwu Bazudin 600".

**Ndi Ogbenye Noo na - na etiti Anyi 7mins. 5secs.**

N'agbanyeghi mbawanye onodu odimma nke umu mmadu ihe kariri otu nari afo gara aga na mba niile na mpaghara uwo dum eketabeghi oke na mbawanye okwu aku na uba, dika. World Economic Outlook kwuru n'akwukwo nke International Monetary Fund biputara. Oganihu e nwere ebe onodu odimma umu mmadu noo sitere n'usoro nka-na-uzu gbara mgborogwu na Mbughari onodu okwu aku na uba di ugbua. Akuko a mere ka anyi mata na, ihe ana aruputa n'uwa dum foduru ntakiri ka o jiri uzo ato karia ihe ana aruputabu mgbe gara aga site na mbido ruo ukara otu nari afo gara aga maa, bawanyekwuo uzo itolu mmalite n'ukara otu nari afo gara aga wee karia onodu onu ogugu mmadu. Ozokwa, odimma maka ndu ndimmadu, mmuta nakwa ihe ndi ozo na-egosi ihe idiwanye mma, Okachasi n'ime Mba dara ogbenye.

Kama usoro nkesa ugwo oru n'uwa dum maa atuo ya n'isi n'uwa dum ka gbagoro agbago dika akwukwo ahu ebiputara siri kwuo. E nwere ike ihuta odida n'okwu a maa onodu a teekwuo aka: Iri Percent asaa na percent ise mba na-etolite-etolite ka onu ego onye o bula n'akpata n'isi n'isi kachaa pee mpekaria na mba mepere emepe kemgbe iri afo ato gara aga. O kowara na, ihe onye n'akpata na-adahachi azu n'ime mba iri ato na abuo ebe nani mba asaa na emepe emepe tolitere, ngwa-ngwa ibenata ebe o buru ibu, oke di na-etiti ihe onye di iche-iche na –akpata-maa gbakota onu dika otu mba na-emepe emepe n'oru itumgbere ahia. O gbakwunyere na, orughi percent iri nke onu ogugu ndi na-emepe emepe n'uwa bi na ,mba ebe ihe, onye na-akpata na-ada mbaa, ebe percent iri asaa bi na mba ebe ihe ha na akpata n'isi n'isi kariri nke ndi bi na mba mepere empepe n'erite. Maa ka osiladi, ndi ogbenye ka noo na-etiti anyi. Akuko a kowara na, onu ogugu mmadu noo na mba na-emepe emepe esile na iri ise na otu kwa ubochi gbadata site na percent iri ato ruo percent iri abuo na ano n'ime afo iri gara aga (nke gosiputara mbenata ubiam na East Asia na South Asia). O gbakwunyere n'onodu ubia mka di elu. IMF ka na-ekwu sike na odibeghi oganihu o bula enwetara na mbenata ubiam n'ime Afrika na Western Hemisphere. O kwenyere na, ubiam kachaa abawanye n'ime mba ndi ahu noo n'onodu mgbanwe ochichi "o bu ihe doro anya na, ubiam buu nnukwu ihe zuru uwa onu, o bughi nani uko ego na ngwa aku na uba, kama ogunyere e nweghi ezi nchekwa maka ndu na aku na uba, uko oru di mkpa nke gunyere ahuike, mmuta na inwe usoro ido oru ahuike ocha (Ijimaatu, Olile anya

ndu mmadu) ihe ndia abiakotala onu karichaa n'ime otutu mba, onodu a kazi ihe onye kpatara n'isi n'isi n'onu ogugu, n'ihi mgbasaa usoro oru nka na uzu ahuike loro ohuru.

Udiri mgbanwe a gbasara n'uwa niile, enyerele mba ndi ahu kachaa daa ogbenye aka ahuru anya".
*All Afrika com*

**Zimbabwe Ga-Amalite Nyocha Ogwu AIDS** **4mins. 3secs.**
Aga amalite n'onwa Septemba nyochawa umu ogwu di iche-iche onu ego ha pere mpe bu ndi achoputara na ha nwere ike ikwusi maa mgbe ufodu mee ka ike HIV nje na-ebute oria AIDS hara iganihu na mba Zimbabwe. Ogwu ndia enwere n'ime obodo ha gunyere aspirin, selen na ogwu ndi nwere otutu umu ihe na azulite onu ahu. O bu otu ulo oru akporo United States – based Institute for Alternative Medicine Choputara ogwu ndia o ji nyere ndi oria AIDS aka ikutetu ume ndu etu nje na ebute AIDS na-agaghikwa enwechaa ike n'ahu ha. Snorre Westgaard Onye-isi oru ngo nke Hope Humana otu kwuru onwe ya n'uwa n'agba mbo imeputu umu ogwu ndi ahu onu ahia ha di ala na Zimbabwe n'ime izu ukaa siri na, ngalaba omumu ihe oru ahuike noo na University of Zimbabwe ga-ahasi nyocha ogwu ndi ahu.

Usoro nke mbu n'ime usoro ato eji eme nyochaa a ga-ewe ebe opekariri mpe onwa ato, ebe oru niile gbasara nyochaa ga-ewe otu afo zuru oke, buu ihe Westgaard gwara Financial Gazette. Hope Humana nwere olile anya imeputa ogwu ndi ahu n'ime abodo Bindura ozugbo achoputara maa nabata ego na ngwa oru-a n'ime Zimbabwe nakwa mba ndi gbara uwa gburu-gburu. Achoputala atumatu nweta ogwu n'aka nke ozo dika usoro bu akwaa akwuru maa atutee ya na ogwu nke amara nke oma ugbua n'ime mba mepere emepe n'uwa maka igwo oria AIDS nke onu ego ya di uzo ato kara onu ego nke-a.

Otu mba uwa n'ahu maka oru ahuike kwuru na.aga enwetarila otu okenye n'ime okenye ise buu nje (HIV) na ebute oria AIDS na mba Zimbabwe otu n'ime obodo oria-a kachaa hinye udu na Southern Afrika.
*The Financial Gazette.*

**Umuaka di Nde iri na otu N'anwu N'ihi oria Nwere Mgbochi** **5mins. 6secs.**
Onu ogugu Ufodu umuaka n'anwu kwa afo obula n'uwa niile n'ihi oria enwere ike mgbochi na erimeri onodu ha na-ezughi oke ruru Nde iri na otu. Onu ogugu-a bu nke enyere Ogbako omumuche otu mba di iche-iche n'uwa mere gbasara ahuike n'isi ochichi mba Mali, Bamako. Ndi noo n'ogbako omumuihe ahu eji enye ndumodu maka " mkpokota oru gbasara oria umuaka" (integrated Management of Child Disease") nuru na, enwere ike ibenata onwu ike umuaka site percent iri ruo percent iri ise maa esoro usoro ezi ahuike ezinulo akwaliteworo nakwa nke oha obodo. Nzuko ahu emere na Bamako bu, atumatu ngalaba ulo oru otu mba uwa n'ahu maka ahuike n'Afrika na ulo oru okwu ahuike di n'aka na Mali jikotara aka tuputa. Itiputa usoro buu kpoo maka oru ogwugwu oria umuaka n'ala Afrika, site na ntuputa eromero gbara mgborogwo nke ndi di iche-iche inyere aka n'oru a eji achikota oru mgbochi oria ndi ahu

Ntulee onodu onwu ike kwa mgbe kwa mgbe na ajoo oria umuaka n'aria n'uwa dum ugbua o di ka ebe, ugboelu Boeing 747 bujuru umuaka na-akaribeghi afo ise n'ime ya nwere ihe oghom kwa otu hour. Ndi okachaa mara n'oru ahuike kwuputara na, otu n'ime umuaka ise na anwu tupu ha e ruo afo ise n'ihi oria nwere mgbochi di ka oyi igiga, afo osisa, iba, akpata tinyere kwoshoka. Helen Mabu Ma Disu na-anochite anya ulo oru WHO na mba Mali siri na, aga azoputa ndu umuaka onu ogugu ha ruru otu Nde n'uwa niile kwa afo ma oburu na elebara oria oyi-igiga anya nke oma. Osiri na, nkwusi oria afo osisa ga-enye aka zoputa ndu umuaka onu ogugu ha di, Nde ato, Nari puku iri asato kwa afo n'uwa dum ebe Nari puku umuaka ise ga-adi ndu maa elebara oria iba anya nke oma.

Abdrahmane Tounkara, Odee akwukwo ukwu nke ulo oru ahuike di n'aka na Mali nwere olile anya na, "site na ihe emeputara n'ogbako omumuihe a, ndi mmadu ga-enwe ike Isite n'usorogwugwo oria ndi

ahu na-adighi ire mata uzo bu igba eji agwo oria ndi ahu n'ime usoro oru PCIME". Ndi okachaa mara n'oru ahuike sii Senegal, Benin, Cote d'Ivoire, Niger, the Democratic Republic of Congo, Burkina Faso tinyere Mali Kworo ha obia, biara nzuko-a emere na Bamako

*Pan African News Agency*

**Ofoduru Obere Ihe ka Osisi Eji Agwo Oria Kpochapu** **6mins.**

Otu osisi di na South Afrika nke kachaa noro n'onodu ihe ituegwu ugbua ana akpo Winter Impala Lily, osisis ndi dibia mkpa akwukwona mgborogwu ji agwo oria-afo, na-acho mkpo-chapu. Ndi oru nchekwa oke ahia doro aka na nti kwuo na,ugbo na mmepe obodo choro ikpochapu osisi-a n'ime ohia, o buru na-enweghi ezi mbo agbara ozugbo, o ga agwucha.

Gerhard Strydom nke Mpumalanga Parks Board Conservationist gbara amaa n'ime izu uka a na ngwucha nyocha di omimi were onwa ano emere na mpaghara obodo onderberg di na Eastern Mpumalang ebe osisi ahu ana emeputazi na-erughi iri na abuo "Ihe dika percent iri asato buu lily emebiri n'ihi, mmepe obodo ebe percent iri abuo foduru ka egburu maka iku sugar cane na iko akpu.

South Afrika bu mba nke ato n'ime mba kachaa nwee osisi noo onodu ojoo n'uwa dum, United States na Australia ka onodu a kachaa jide. Ebe opere mpe, osisi iri ise na ato ka amara na ha noo onodu mkpochapu n'ime obodo ahu kemgbe otu Nari afo gara aga. Osisi Winter Impala Lily bu otu n'ime puku osisi abuo, nari abuo, iri osisi na ise edeputara aha ha dika osisi onodu ha noo n'oke nsogbu na South Afrika. Obu IUCN- World Conservation Union n'ahu maka oru nchekwa umu osisi ana amaghi ama onodu ha noo na asogbu n'uwa dum mere ka anyi mata nke-a.

Nyocha di omimi nke Strydom mere gosiri uzo winter impala lily ga-esi di ndu mgbe di n'ihu, nke aga-ahu nani na Eastern Mpumalanga na mpaghara Northern Swaziland na Southern Mozambique di ntakiri karia etu echere na mbu. Winter impala lilies nwere okoko-osisi tunwuru-atunwu na mgborogwu buru ibu n'ime ala. Okpomoku na aja-uro na-adi ha mma n'ahu-onodu kacha mma Sugar cane na akpu ji eto. Amara winter impala Lily dika Swazi lily na Nunankulu nke ndi dibia odinala mara nke oma. Mgborogwu ya nwere nsi, ya mere agbata akwara ya na ugwurugwu osisi-a nani ka eji aru oru.

Ebe echekwara nke oma bu ebe lily a nwere ike I si nweta nzoputa, maa, ejighi nke ahu aka kpom kwem. Nani ihe dika osisi ahu iri na abuo ka ahugoro na mpaghara Southern Kruger National Park n'ogige nchekwa oha obodo Mawewe.

*Mail and Guardian (Johannesburg)*

**Ndi Ndu Umu Nwanyi Afrika N'akparita Uka Gbasara Odimma ha** **11mins.**

Ihe ruru otu puke umu nwanyi ama-ama n'Afrika na Umunwanyi sii mba di iche-iche n'uwa biara ogbako emere na Windhoek isiochichi Mba Namibia n'onwa Julai. Ha mere mkpebi na ngwucha nzuko ahu idi njikere n'oru ga-eweta ezi mgbanwe n'onodu odimma na-erughari n'uwa. "oge ugbua abusighikwa mgbe nwanyi agba ohuru-a ga-enwe ohere igba asiri n'isi ekwu ma o bu akuko ulo ahia. O bu oge itinye aka na nkwalite onodu mgbanwe odimma n'ime uwa" etu a ka Nafis Sadik, onyeisi ulo oru nke UN Population Fund siri kwuo ya. Ogabko mkpuru ubochi ano-a emere na mgwucha onwa Julai, buu agba nke ano ndi Regional Conference of African Women Ministers and Parliamentarians na-eme. Isi okwu ejiri mee nzuko-a bu, "Ima aka n'ihu iji toruo ogo, mmkorita nwoke na nwanyi na mkpa o di iruputa ihe", ogbako a chere ndi ochichi ala Afrika aka mgba n'ihu ka ha mee ngwa-ngwa mejuputawa mkpebi ufodu n'okwu ndi ahu di oke mkpa mekutara nwata nwanyi, ibi nwanyi ugwu, nwanyi iru oru ndi agha, nwa nwanyi etorughi etoro buru afo-ime na mkpa odi imawaputa ego gbara okpurukpu maka oru ahuike. Umu nwanyi ndia buu minister na ndi ulo nzuko omeiwu sii mba iri ano na ise n'Afrika nke ufodu umu nwanyi isi ulo oru ndi ahu

kwuru onwe ha na otu mba di iche-iche n'uwa, tinyere ndi n'agba ezi mbo kwadoro, gbakwara mbo n'ima ndi ochichi Afrika aka n'hu iji nye umu nwanyi ohere ino n'okwa ochichi ukwu na, onodu mkpebi okwu. Ha choputara na, ewepu mba Southern African Development Community nwetagoro Percent iri na asaa na uma onu ogugu umu nwanyi nooo n'ulo nzuko omeiwu, mba ndi nke ozo n'ala Afrika enwerubeghi percent iri.

Abia n'okwu omenala dika ibi ugwu na nwoke idinye nwanyi na amabeghinwoke nke na-agbakwunye ahuhu umu nwanyi na-ata na, nsogbu onodu ahu na-ebutere ha, Sadik Siri na , Omenala di oke mkpa maka nchekwa uru anyi na-erite na inyefe ihe mmuta ndia n'aka ndi ntrobia.

Kama emeziri omenala n'uzo ona abara obere onu ogugu mmadu uru karia ndi ozo, "Okwuru na dika World Health Organisation siri kwuo ihe dika, nde umunwanyi abuo noo na mpaghara sub-Saharan Afrika, Okachasi odaanyanwu Afrika na-adabanye n'ime oke nsogbu nke ibi nwanyi ugwu nke ana eme n'ime mba iri abuo na asaa noo na odaanyanwu Afrika. Iji mezie onodu a, Afrika Komiti nke otu WHO amaliteleri oru nke ya na ndi ochichi mba iri di na sub-saharan jikotara aka n'oru iji kwusi ibi umunwanyi ugwu site n'inyere ha aka mejuputa atumatu mkpochapu omenala-a.

Mgbe o na emepe nzuko-a,onyeisi ochichi mba Namibia bu, president Sam Nujoma mere ka amata na, percent iri ano na ise umu nwanyi Namibia muru umu mgbe ha ka di afo irina itolu. Onyeisi ochichi-a ruturu aka n'ihe otu akwukwo ahuike deputara na nchoputa o mere banyere okwu a. O kwukwara na percent abuo n'onu ogugu umu nwanyi noo afo iri na ise na-aturu ime. O tara onodu enweghi oru ahuike zuru oke uta n'ihi na,onaghi erute umuaka ndi-a na-etolite etolite aka. Otu n'ime ihe onyeisi ochichi a ruturu aka buu egwu gbasara ndi oru ahuike itope ihe nzuzo enwere n'oru ahuike, ejighi obiocha aru oru na agwa ojoo ndi oru ahuike n'akpa, okachasi mgbe mmadu na-akosara ha ihe gbasara, onodu ahuike mekutara omumu nwa, condoms na atumatu omumu nwa n'ime ezinulo. O siri na, ochichi ya di njikere ikwalite onodu nkuzi mmekorita nwoke na nwanyi na oru ahuike gbasara omumu maka umuntorobia. N'ihi nke-a, ochichi ya ehiwele usoro oru ahuike gbadoro ukwu n'omumu maka umuaka na-etolite etolite na Namibia

Nzuko-a gara n'ihu katoo ndi ndu Afrika n'ihi na, ego ha na-emefu maka oru ahuike pere-mpe nke ukwuu maa ego ha na emefu maka izuta ngwa agha ha ji chere onwe ha n'ihi ndi iro ha kariri etu okwesiri. Dika ihe edeputara na nzuko ahu siri kowaa, Mba Angola n'ime afo 1997 mefuru ego di, Nde US Dollar isii rii ise na asato nke putara percent asato na uma asato nke GDP ya maka ngwa agha . Dika akwukwo akuko ndi agha edeputara n'afo 1998-1999 nke international Institute for Strategic Studies di na London biputara, Eritrea mefuru ego di nde dollar iri isii na ise nke putara percent asato na uma ato nke GDPya, ebe nwa obere mba dika Lesotho mefuru percent ano na uma isii GDP ya maka ngwa agha.

Minista onodu odimma ndi inyom na umuaka di n'aka na mba Namibia bu, Netumbo Ndaitwah siri kowaa, ihe emeputara na nzukoa, O siri, "ke mgbe mkpuru ubochi ano gara aga, anyi gara n'ihu na ntugharikota echiche na ogugu isi n'uzo di iche-iche. Anyi ga-eji ihe anyi mutara laghachie n'ulo nzuko omeiwu na okwa oru di iche-iche anyi ji ruo oru karia ka anyi mara na mbu tupu nzuko-a.

**Okpomoku di n'uwa dum na-enye Mbikota onu ajo mmekpahu** **5mins. 4secs.**

Okpomoku di n'uwa na-abawanye nke na otutu umu anuohia na osisi agaghi enwe ike idikwa ndu n'ihi oke okpomoku, ihe-a bu ido aka na nti nke akuko si n'aka ulo oru nchekwa gburugburu ebe obibi doro. Mkpocha pu ufodu umu anumanu na osisi ga-erucha percent iri abuo ebe enwere mbikota siri ike dika na Northern Canada, Tibetan Plateau na South Eastern Australia, dika akuko World Wildlife Fund and Canada's David Suzuki Foundation weputara. O doro aka na nti wee kwuo na percent iri ato na ise ebe obibi n'uwa noo ugbua ga-agbanwe n'ime otu nari afo na abia n'ihu.

Ndi Saynsi kwekoritara n'elu uwa na-adiwanye oku nwayo nwayo kemgbe otu nari afo gara aga, ma ha ekwekotaghi n'ihe kpatara ya ma o bu na oga-eme otutu oge. Otu n'ahu maka onodu gburugburu ebe obibi n'akwukwo O nyere aka weputa n'ogbako ha na ndi nta akuko mere na Toronto na London siri na, o bu ihedoro anya nke oma na-aga elekota oru mmeputa green-house gasses anya n'ihi na, o bu ya kpatara okpomoku ana enwe n'uwa taa. "Oge okopomoku a malitere nwere ike ikari puku afo iri na ato gara asa, mgbe sabre-toothed tiger na woolly mammoth ka na ejeghari n'uwa. "Anyi ogaghi agbachi nkiti maa nabata ila n'iyi a" nkea ka Dr. David Suzuki nke University of Toronto na-eme nyocha di omimi maa burukwa onye oru nlekota gburugburu ebe obibi kwuru.

Akwukwo-a kwenyere na, ufodu anumanu na osisi di iche-iche ahu ha nabatara onodu-a nwere ike idiwanye ndu na-agbanyeghi oke okpomoku di n'uwa, kama o siri na, otutu n'ime ha na-ebute "mmekpahu" ndi nke di ka, kudzu vines na Japanese honey suckle. Ndi ga-anochite anya mba onu ogugu ha di otu nari na iri asato ga-ezuko na Lyons, France n'onwa n'abiabia ichoputa uzo aga esi malite mmejuputa nkwekorita emere na kyoto akporo "kyoto protocol International agreement" gbsara etu aga esi kwusi ahuru-oku sii na green house gas aputa. Mkpebi emere n'afo 1997 ga-abu isiokwu nke ndi minista sii mba di iche-iche n'uwa ga-akparita uka maka ya na nzuko ha ga eme na Hague n'onwa November.
*Reuters*.

**UNEP Awagidele oru Ngo Gbasara Mmeto Gburugburu obibi Ga Ewe ya Otutu Nde Dollar** **8mins. 2secs.**

Ij matakwu nsogbu mmiri ogwu ndi ahu buzi nsi na-enye odimma gburugburu obibi na ahuike tinyere, usoro aga eji buso ha agha, UNEP Chemicals ga-awagide oru ngo ga-eri ya Nde US-dollar ise maka oru oji amata ihe ndi ahu na-agbaru ikuku ndu n'akuku uwa niile. Manager oru ngo-a di n'aka bu, Paul Whylie Kwuputara nke a. Ihe emeputara n'oru ngo-a ga ewe afo abuo buu nke ga-amalite n'onwa Septemba ga-enye aka buru ihe Global Environment Facility ma o bu, GEF ga-etinye Uchu puru iche n'ime ya mgbe di n'ihu. O bu GEF nyere nkwado ikpe azu maka mmalite omumu ihe oru ngo-a n'uju n'ime onwa Julai. Ihe oru ngo-a ga eweputa n'obia n'ihu ga-eduzi.Mba nile di n'uwa uzo n'oru nzoputa ahuike umummadu na onodu gburugburu obibi n'aka nsi, UNEP kwuru nke a n'akuko o weputara.

Ana emejuputa atumatu oru GEF site na njikota aka nke UNEP, usoro oru mmepe UN na ulo oba ego uwa. Omumu ihe a ga-abu nke mbu GEF na-eburu oru ngo n'uju maka mmiri ogwu ndi noo n'ogo ahu. Nchoputa a ga-agbakwu oru ndi arugoro ume tinyere mkparita uka maka nkwekorita uwa dum ga enwe gbasara uzo oru iri na abuo ndi a na-agbaru ikuku ndu juru mgbochi persistent organic pollutants ma obu POPs bu nke n'abia n'ihu. Mmiri nsi ndi ahu bu ndi UNEP governing Council Mandate Lekwasiri anya oru n'afo 1997. Atumatu oru ngo ohuru GEF ga-amata nsogbu di iche-iche nke mmiri ogwu ndi ahu buzi nsi noo n'ogo di otutu. O di mkpa ka enweta nkowa chara acha site n'aka ndi sayensi gbasara ihe achoputara ebe onodu na ogo nsogbu nsi ndia ana agunyeghi n'onu ogugu nsi iri na abuo ahu akporo persistent rganisc pollutants n'asusu bekee nyedebere gburugburu obibi na ahuike ndi mmadu, Klaus Toepfer, UNEP Executive Director Kwuru Okwua.

Mkpebi niile emere n'atumatu oru ngo a, ga-enyere GEF aka ihiwe nle kwasi anya puru iche mgbe di n'ihu, nyere, mba di iche-iche na mpahara obodo di iche-iche aka n'oru mmepeanya iji kwudo nsogbu niile nke ihe ndi ahu na-agbaru ikuku ndu na enye ha, nyekwaa aka n'iga n'ihu choputakwuo pops maka oru zuru uwa dum.

Umu nsi niile na-ekweghi mkpochapu na-ebutere umu mmadu na gburugburu obibi nnukwu nsogbu. Ha nwere ike inote aka ebe obula ha noo, maa nwee kwa ike I sii ebe ha noo gaa ebe ozo tere aka. Ha nwere ike idi otutu biakota n'anu ahu site na n'usoro erimeri maa norokwa n'ime erimeri etu ona agaghi diri ndu

mmadu mma. Ndi mmadu na-amatazi na mmiri ndi ahu gbaruru agbaru, yiri iri na abuo ndi nke edeputara n'akwukwo UNEP nwere ike ibutere gburugburu obibi nsogbu maa tinye onodu ahuike ndi mmadu n'ihe itu egwu. Ogbakwunyere n'ihe ojoo nke-a na-ebute di iche-iche n'ihi, uzo di iche-iche eji ha eme ihe na etu onodu gburugburu ebe adotara ha si emekuta ebé há noo uzo esi ekesaa ha. K'odi ugbua, akuko gbasara uzo esi eji ha eme ihe nakwa ihe ona ebute ebe di iche-iche adighi otutu. Atumatu oru ngo a ga-enye aka weputa akuko di mkpa ekwesiri imata maka ya.

*Pan African News Agency*

.

**Egypt N'agbasi mbo Ike iji zoputa Mbekwu ya Noo N'onu onwu** **11mins. 9 secs.**

Otu mbekwu dooligedere wee tukpoo onwe ya n'otu osisi ogwuogwu di na ozara kporo nku, jiri nwayo n'akuru ahihia di n'ukwu osisi ahu iji lee ma o ga-amita mmiri ebe ahu. Ala ahu gbotoro n'efu nke osisi di n'ime ozara a noo na nge na nge, enyeghi mbekwu Egypt a ihe etu ochoro wee mee ka, o noro onodu o di ndu onwu ka mma n'ime ozara.Ndi mmadu na ebukota maa na erekwa ha dika anu ulo. Umu anumanu irife ahihia oke, Mgbatikwu aka n'oru ugbo na ebe nkiri ndi njem aburula odachi nye ndu na-ebe obibi ha n'ime ala gbara osimiri okirikiri n'Egypt, Eastern Libya na Isreal Western Negev buu nke ana emebi emebi. "Onu ogugu ha na-agbada ala kemgbe afo iri ato gara aga," buu ihe Sherif Baha el-Din, onye ndumodu sayensi n'ulo oru Egyptian Environmental Affairs Agency kwuru. O sii na, nchoputa akpachara anya mee n'Egypt n'afo 1994 enweghi ike ichota obuladi otu mbekwu bi n'ohia ma oli.

Mbekwu Egypt amara n'aha sayensi dika, Testudo Kleinmanni, buu otu n'ime mbekwu kachaa pee mpe n'uwa dum maa burukwa mbekwu kachaa ibe ya noro n'onu onwu, o buru na – atuo ya, ebe obukarichara ibu oburu cm iri na abuo na uma asato (inchisi ise) n'ogologo. Ndi nke nwunye ka ndi oke ibu. Ebe ana ahukari ha buu, ebe mgbara-aja na ebe nweturu okwute. Ucha ya dituu ka akwukwo kponwuru akponwu na aja ala ebe ahu na achakota n'otu .

N'afo 1990 ka, otu International for the Union Conservation of Nature tinyere aha Mbeku Egypt n'akwukawo ebe ana edeba aha anumanu ndu ha noo na nsogbu. N'afo 1996 ka ogbako maka azum ahia di na-etiti mba, na mba ozo gbasara udiri anumanu na osisi noo n'ime ohia ana enweta n'otu mpaghara obodo nke ndu ha noo na nsogbu maa obu Conservation on IntenationalTrade in Endangered Species of Wild Funa and Flora (CITES) n'aha mkpirisi bekee machiri itu mgbere ahia na-etiti mba na mba maka udiri anuohia na osisi ndia, nani maa eji ha aru oru gbasara sayensi. Iwu Egypt megidere ire, izuru na mbughari uduri anuohia na osisi ndi ahu na-enwetaghi ikike, kama,mmejuputa iwu-a siri ike.

N'onwa January 1997, ndi uweojii jidere ndi na-ere mbekwu ha siri Libya bute n'ime ahia ana ere anu ulo akporo Tunsi Pet Market di na Central Cairo. Ndi uwe ojii-a bukoro mbekwu ndi ahu n'ime akpa gaa kpoturu Baha el-Din onye oru n'ahu maka odimma onodu gburugburu obibi na nchekwa umu anumanu. Otutu Mbekwu ndi ahu noo n'ime akpa dara oria ka ha nochara karia otu izu uka na-anughi mmiri ma o bu riee nri n'okporo uzo. Onabatara I ji mbekwu ndi-a mere mgbado ukwu n'usoro oru nehekwa anumanu. Etu a ka nlekota Mbekwu siri malite n'Egypt buruzie etu mba di iche-iche n'uwa na nke ime obodo tinyere ndi mmadu siri biakota otu ebe iji nye nke aka chekwaa Mbekwu Egypt. Site n'ego enye m aka nke ochichi mba Dutch nyere, otu ndi oru muru ihe gbasara anumanu nke London nyere aka ilekota Mbekwu ndi ahu, kama nsogbu di na nchota ohia ebe aga ahanye ha ka di.

"Anyi ejile mbekwu iri ebugara n'otu ala nke osimiri gbara gburugburu n'ime mba echedoro nke oma mee nlegha iji bidogharia atumatu oru a ozo na imata ka mbekwu ndi ahu si akpa agwa", buu ihe Baha el-Din kwuru. Ozugbo ahu ka amalitere usoro oru nzoputa mbekwu ndi eji-eji. N'ime nari ákwà ato ha yiri, nari abuo bùrù, nke gosiputara oganihu kachaa ibe ya n'udiri oru ngo di etu a. E nwekwuole uzo ebe abuo ana

eme nlegha gbasara ndu mbekwu nke etinyere mbekwu iri ise n'otu n'otu tinyere nke otu onye noro onwe ya akporo Waadi Food farm di n'okporo uzo ozara gara Cairo-Alexandria na nke Sekem Frams ndi n'aru oru ugbo anu na mmepe oha obodo. Otu a tuputara eromero nhiwe oru ngo ndi okwaa-nka akporo bedouin craft iji mee ka oru ngoa nwee ike ikpata ego oji aruru onwe ya oru. Atumatu-oru –a ka umunwanyi bedouin ji emeputa umu obere akpa ana eji n'aka, akpa eji ebuibu na akwa eji etinye ihe eji ehinye isi n'elu àkwà, nke ha sere mbekwu n'ahu ha nke ha na-ere maa jiri ufodu ego ha nwetara ji nyere mbekwu ndi ahu aka. Enyem aka-a mere ka ndi Bedious nwee mmasi inye aka maka nchekwa ebe mbekwu n'ebi maa mee ka ha mata nsogbu di okirikiri ebe ha bi. Ha nwetara otutu ego I ji kwuo ugwo maka, nlekota mbekwu ndi ahu kwa ubochi.

"Ebe dikwu mkpa obibi udiri anumanu-a kwesiri inoo dika ebe echedoro nke oma," buu ihe Tortoise Care kwuru n'ulo oru ya. "Ebe echekwara nke oma buzi nani ebe umu anumanu na- ebi nke oma n'Egypt na-enweghi nsogbu o bula nke mmadu na ebutere ha,"
*CNN Com.*

**Ulo oru itumgbere Ahia Ndi Ntakiri Dika Ngalaba ji Ntolite N'ala Naijiria** **11mins. 2secs.**

Onye na aghotaghi nke oma gbasara onodu itumgbere ahia ozuru mba onu ga-eche na, ulo oru ukwu buu ndi kachaa ere ahia maa na –enwekwa mbara Karia. Nke buu eziokwu buu na, ihe adighi etu esiri chee ya. Ulo oru itu mgbere ahia ndi ntakiri buu, akwaaakwuru maka odimma aku na uba o bula. Iji maa atu, United States of America, buu ebe e nwere ulo oru ntakiri na-emeputa ihe bara uru di iri percent ise n'ime ihe nii ce ulo oru kwuru onwe ha na emeputa, iri percent ise na abuo maka azum ahia maa na –ewekwa ihe dika iri percent ise n'ulo oru kwuru onwe ha. Omumu ihe emere gbasara aka oru nke ulo oru ntakiri na ndi nke buturu ibu n'uwadum gosiri n'otu onye oru n'ulo oru ntakiri ndi-a, na-emeputa ugboro abuo n'ihe otu onye noo n'ulooru ndi nke ukwu na-emeputa. Ihe omumu ozo emere na United States gosri na, ulo oru ndi ntakiri ahu gbara mbo puru iche iji zoputa mba ahu n'ihe ira ahu nke aku na uba dakwasiri ya n'afo 1980. Di ka ulo oru Small Business Administration nke ochichi U.S. ji ego ya elekota, maka nkwalite ulo oru nta siri kwuo, ulo oru ndi ahu na-enweghi ndi oru ruru iri mmadu abuo kewaputara ohere oru ohuru ruru ijeri ano na otu nde ebe ulo oru ukwu di iche-iche dara nko n'ohere oru di Nari Puku ise site n'afo 1980 ruo 1990.

Kedu etu ulo oru ntakiri ndi-a siri nwee ike Igba mbo ha gbara maka onodu aku na uba mba America? Oganihu ulo oru-a nwetara sitere na nkwado nke otu di iche-iche noo gburugburu America na-anaghi acho mmbara, enyem aka site n'aka ngalaba ulo oru aku usoro na atumatu di iche-iche nke ochichi United States hiwere maka ulo oru ntakiri nyere ha.

Na Naijiria, otutu ulo oru nta n'aru oru dika ulo oru kwuru onwe ha nke na-atuta ego ruru ijeri dolar iri abuo n'ime ego GDP niile Naijiria na-enweta. O bu ihe nwute n'obere ulo oru ndi-a anaghi etolite dika ndi nke enwere na U.S. sii aga n'ihu. Ihe kachaa bute onodu-a bu na, ulo oru ndi nke Naijiria anaghi enweta enyem aka n'oru ha. Ihe ha na-enweta buu nani obere nkwado na nhunyere ugwu n'aka ndi ntuputa atumatu oru. Ulo oru nta ndia enweghi ohere inata ego n'ulo oba ego ama-ama. N'ihi enweghi ego ha ga eji-kwuo ugwo maka ozuzu ndi oru, obere ulo oru anaghi enwezu ndi nwere aka oru buu igba n'ulo oru ha. N'ihi na-enyem aka ha na-enweta anaghi eru ebe niile, ya mere ihe ha na-aruputa jiri pee mpe karia etu ha kwesiri iruputa Nsogbu ozo o na-enwe dika ulo oru ndi ahu buturu ibu na-enwekwa bu, onodu ojoo nke ngwa ihe eji enyere ndu aka noo.

Site na nweta usoro ochichi onye kwuo uche ya, Naijiria ahuwala ntoputa ulo oru ndi kwuru onwe ha na ndi nke oha na eze nwe, atumatu ha gbadoro ukwu na inyere obere ulo oru aka na Naijiria. Ijimaatu, FATE

Foundation. Otu n'ime ulo oru obiebere ohuru enwere na Naijiria etoputala. Ulo oru obiebere-a buu odimma aku na uba ndi mmadu n'obi site n'ikwalite oru itumgbere ahia di na-etiti umuntorobia Naijiria. Atumatu-a gbadoro ukwu n'inye ndi Naijiria ezi aka oru, ngwa oru, mgbasa aka n'oru na ego iji hiwe ulo oru ndi nta ga-enwe oganihu. Ebu m n'uche ya buu, ihewe ulo oru ohuru di otu puku n'ime Naijiria n'afo 2005 na puku ulo oru ohuru ise n'afo 2015. Iji mee ka atumatu a puta ighe nke oma, FATE na-enye ndi oru ozuzu, nlekota na mgbazinye ego iji nyere ndi Naijiria aka. N'ezie atumatu a ana ahubeghi mbu, abughi nani ka enyere obere ulo oru aka iganihu, kama o bu usoro eji ebuso ubiam, uko oru na mpu di iche-iche agha. N'ihi ntoputa nke ulo oru obiebere di iche-iche yiri FATE Foundation na-etoputa, ndunyere ukwu n;atumatu oru site n'aka okpuru ochichi obodo, steti na govamenti etiti na-abawanye, maa enye m aka nke ngalaba ulo oru kwuru onwe ha, ulo oru nta ga aru oru n'uzo o kwesiri iji kwalite ntolite na mmepe n'ala Naijiria. Ichoo Imata-kwu ihe gbasara otu oru itumgbere ahia na Fate Foundation nke oma gaa n'ulo oru ha di na Water House Legoosi Stati , Water Corporation, Ijora Causeway, Ijora, Lagoosi, Naijiria.
*The Fate Foundation, Lagos*

**Ulo Oru Buu Akwaa Akwuru Maka Mmeputa Ngwa Ahia Ga-Enye aka N'oru Mgbochi Mmeto Ebe obibi** **9mins. 7secs.**

United Nations Environmenet Programme (UNEP n'aha mkpirisi) enyele otu akatapo ulo oru mmeputa ngwa ahia, oru mgbochi mgbaru ebe obibi. Otu kporo onwe ya Cleaner Production nke nwere otutu atumatu ya n'usoro oru na-aga aka na aka maka nrite uru nchekwa gburgburu. Nke-a buu mgbanwe sitere n'onodu udiri gburugburu obibi zuru oke ebe ulo oru mmeputa ngwa ahia mebigoro uru ana enweta na ya, o bu ihe doro anya na United Nations n'agba mbo maka njikota aka-, dika o na acho mmasi ulo oru mmeputa ngwa ahia inabata usoro Cleaner Production,enwere obere ihe di, iche nuzo ntuzi aka na nchikota oru ebe United Nations choro nani ka o tinye oru n'aka ndi ochichi. Ebum n'uche ohuru maka njikota aka n'oru-a lekwasiri anya n'onidu nrukota oru nke ga-eweta mmeri nweta uru ana erite site n'itinye kwu uchu n'oru ndozi gburugburu ebe obibi zuru oke ana enweta site na mbenata aka na mgbaru ebe obibi.

Ogbako nke izizi emere n'Afrika maka Cleaner Production (CP) buu n'isi ulo oru UNEP dina Gigiri Kenya, ka anoro mee ya malite n'abali itolu ruo abali iri na otu nke onwa Ogostu. Ogbako a kpokotara ndi oru nchekwa gburugburu ebe obibi,ndi ulo oru mmeputa ngwa ahia, ndi nyocha ihe omimi, ndi nnochite anya ulo oru noro onwe ha na ndi oru ntuputa atumatu oru sii mba iri abuo. Atumatu oru gburugburu ebe obibi ga-enwenrila uru obara maka mmepe maa o buru na-achoro ka amatazuo ya onu. O bu oru Cleaner Prouction Centres (CPCs) ime ka ulo oru nruputa ngwa ahia mata otutu uru itumgbere ahia n'aka CP bara ha.

Kenya Cleaner Production Centre (KCPC) buu otu n'ime CPCs iri abuo na abuo n'uwa dum United Nations Industrial Development Organisation (UNIDO) na-enyere aka. O bu ulo oru Kenya Industrial Research and Development Institute n'ahu maka KCPC. O malitere oru n'onwa Julai nke afo a, maa aga eme ka oha na eze mata aka oru ya n'onwa okutoba. Kenya buu mba nke iri ano binyere aka n'akwukwo nkwekorita nke International Declaraton on Cleaner Production na mmepe ogbako omumuihe emere n'abali itolu n'onwa ogostu "CP buu onodu mmeri-mmeri maka ulo oru mmeputa ngwa ahia na odimma gburugburu ebe obibi", nke-a buu ihe oriaku Jane Nyakangbo ji okwa Director nke KCPC Kwuru. "One ogugu ulo oru ruru otu Nari anyi jigoro ruo oru kwetara na ha ritere uru di percent iri isii na ise site na mmejuputa usoro CP okachasi n'udiri oru mkpocha ihe ruru unyi" Maa gini ka oga-ewe iji banye na CP?

"Mgbe ufodu o nweghi ihe o ga-ewe", buu ihe oriaku Nyakangbo kwuru". Onwere ike buru ihe na-enweghi ihe ohaa ka ya dika, ikwuchisi valve ike, imechi ebe nwere oghere ibenata onodu mmagbaru mmiri ma o bu imeghari umu ihe ndi ahu ruru unyi ha ruputara n'onodu iji ha meeputa ihe ozo. Oga-abu ihe itunanya nye ndi oru nruputa ngwa ahia maa ha mata ihe ha na-atufu n'ihi emejuputaghi atumatu CP" .

Uru gbara okpurukpu nwere ike ibu ihe n'atupu ndi oru mmeputa ngwa ahia anya iji soro n'usoro Cleaner Production, maa nke-a nwere ike ibu ihe mgbagwojuanya n'ihi na, onwere ike ibukwara ha odachi maa agbatikwuo atumatu-a ebe ndi ulo oru gbara-agba noo. Ufodu ulo oru nwetagoro mmbara site na mmejuputa atumatu CP adighi njikere inabata mgbasa akuko-ndi ahu. Onye nruputa ngwa ahia na ibe ya itugharikota echiche banyere CP dika ebe mmadu na onye iro ya na-ehi ura n'otu àkwà maka na, ana ahuta CP dika mgbakwunye ihe ulo oru ji enwee mbara nke onwe ya na-adighi uru obarala oha na eze.

CP na-ebenata ma obu wepuchaa kpamkpam mmgbaru ikuku ndu site na mbido tupu omee. O bu maka atumatu mgbochi karia ogwugwo nke na-adighi anakwete usoro akporo 'end-of-pipe' post pollution mop-ups nke ga ewe otutu ego iji mejuputa ya.

## *Onuogugu……….*

**Ego olee ka ezigbo ahuike na-ewe n'Afrika? 2mins.**

Nchoputa ohuru UN mere maka ihe ana emefu iji tuo ndu mmanu n'afo 1999 gosiri na, nani mba ato n'ime Afrika buu ndi na-amawanye ihe kariri percent iri abuo maka ego eji aru oru inye umu mmadu umuihe eji enyere ndu aka dika, oru ahuike mmuta na erimeri ihe ndi ahu na-edozi ahu dika atumatu eweputara na nzuko social summit, emere na Copenhagen n'afo 1995.

Nchoputa a UNICEF na UN Development Programme jikotara aka wee mee gosiri na Namibia na emefu ihe ruru uzo ato n'ime uzo iri ekere ego mkpata na mmefu mba ahu kwa afo maka oru inye umu mmadu ihe eji enyere ndu aka, Mali na emefu uzo abuo na uma ato ebe Kenya na-emefu uzo abuo n'me uzo iri. Mba ndi ozo dara ogbenye n'Afrika tinyere Cameroon na emefu percent asato maka oru-a kwa afo Cote d'Ivoire percent itolu, Tanzania pecent iri na Benin Percent iri na asato.
*Pan African news Agency.*

**Ngukota Ihe Idemmiri Mebiri na Mozambique 4mins.**

Akuko "The UN's World Food Programme (WFP) noo na Mozambique weputara na nso-nso a gosiri ajoo ihe nke idemmiri mere na Northern Provinve nke mba ahu. Na Gaza, ebe nji-nji a kachara jiee, akuko-a siri na, Nari mmadu ano na iri mmadu asato nwuru pii ebe Nari puku mmadu abuo, puku iri ise na abuo, na iri abuo na ise n'ime Nari puku mmadu isii na ano, Nari mmadu abuo niile idemmiri ahu rugidere ebe obibi ha gbapuru n'ulo ha. Oke idemmiri ahu rigidere ulo oru ogbammiri ndi oru ubi di na chokwe ebe onu ogugu ala ubi akuru ihe lara n'iyi ebe ahu di Nari puku hectare abuo. INGC kwukwara na, ákwà-mmiri itolu mebiri ebe ahu, ogologo okporo uzo di, otu puku km, Nari km isii na ato mebikwara "Ihe ruru nari abuo, iri ise na ano ebe ndi bi n'ime obodo sii enweta mmiri onunu na olulu mmri emi ebe esi enye umuanumanu mmiri di iri ato lara n'iyi ebe Nari ulo ahia asaa iri ano na abuo tinyere ulo oriri-na-nkwari iri ise na asato mebiri ebe ahu". Akuko a gbakwunyere na, ulo akwukwo di nari abuo, iri ano na ise ka nsogbua mekutara.

N'imeya, umuakwukwo di, Puku iri asaa na ano, Nari asato na iri ato tinyere ndi nkuzi di, otu puku, iri ato na otu ka nsogbu ahu meturu aka. Ulo akwukwo abuo, ebe umuakwukwo biebi n'ime ha di nari itolu, iri ise na asato ka oke idemmiri ahu mebiri. Ulo akwukwo ndi itiboribo iri ano na isii nke umu-akwukwo noo na ha di, puku abuo, nari asaa, iri asato na isii lakwara n'iyi. Nsogbu a kpatukwara ulo oru ahuike aka. Otu nnukwu ulo ogwu mebiri, ulo oru ahuike ndi nta asato na ebe nlekota oru ahuike iri na otu sokwa laa ukporo.

Dika ihe Minista n'ahu maka oru oha na eze na owuwu ulo na Mozambique buu Roberto white kwuru, akuko-a siri na, oke ide mmiri napuru Mozabique nde US dollar iri ano na ise ego ogara inweta site n'oru

mbupu ngwa ahia na mba ozo tinyere ihe kariri Nari nde Us dollar abuo, iri ano na ise n'oru mmeputa ngwa ahia, ebe ngwa aku na uba ulo oru oha na eze na nke ndi noo nke onwe ha oke idemmiri mebiri ebe ahu kariri onu ego di, Nari nde US dollar abuo, na iri asaa.

*Integrated Regional Information Network*

# *Nkwekorita*

**Ndi nnochite anya Afrika N'egwuregwu Olympic kwadoro atumatu mkpochapu oria iba** **3mins. 9 secs.**

Ndi ndu ga anochite anya Tanzania n'egwuregwu Olympic buu Restituta Josheph na fokasi wilbroad fullah ndi eguregwu izizi binyere aka n'akwukwo Afrika ji eme ka oha na eze mata ihe gbasara oria iba dika otu World Health Organisation siri kowaa. Ana agba ndi egwuregwu Afrika ume ka ha nye oru Roll Back Malaria n'uwa nile RBM nkwado n'imaka n'ihu nke kowara uzo kacasi mma iji gwoo maa gbochie oria-a na-egbu ihe karriri otu nde mmadu afo obula okacasi n'Afrika.

Ndi egwuregwu Uganda kwetakwara i nye atumatu oru RBM Akwado. Ndi nnochite cinya RBM n'eguregwu Sydney Olympics, ga-amalite na Seputemba abali iri na ise, noo n'ozuzu ikpe azu maka i ji gaa egwuregwu-a. Agwala ndi Olympic komiti niile n'Africa ka ha sonye na-amam aka nihu gbasara oru eji ebuso oria iba ogu RBM n'aha mkpirisi bekee.

Onye nruchite oru ngo RBM n'okwa Manija buu, Awash Teklehaimanot siri na, Olympcs buu oghere kachaa ibe ya iji gbasa ozi n'ime out afo n'uwa dum. Ana enweta ndi, nwoke na nwanyi buu okaa ibe n'egwuregwu ndi, ana agaghi eleda echiche ha anya. Okwu agbam ume nke ndi egwuregwu amara nke oma nwere ikike ime ka otutu mmadu mara uru akwa mmgbochi anunta (Mosquito Nets) na igwo oria iba ozugbo bara" buu ihe okwuru.

*Pan African News Agency.*

**E welitekwuola aka n'ogu a na-alusi oria AIDS na Naijiria** **2mins.**

Ogu a na-aluso oria HIV/AIDS enweela nkwalite kwu aka 'ACTION/AIDS' nke abughi otu oru Govamenti di na United Kingdom kwuputara na Tusdee maka onyinyè di nde pondu asaa nke enyere Naijiria. Ego a gaesite n'ime nde pondu iri abuo na itolu nke e kewaputaa maka ndi Afrika.

Ka ona-ekwuputa maka onyinyè a n'Abujà onyeisi otu a na Naijiria bu Mazi Abi sina otu ACTION/AIDS hooro Naijiria dika ndi mbu ha ji anwale atumatu 'Project' a n'ihi onuogugu Naijiria nakwa otutu nsogbu ha nwere e nwebeghi nlebaanya. O si'ebe otu n'ime umu Afrika isi bu onye Naijiria o putara na e nwegasiri mkpa na Naijiria nke kwesiri ilebaanya.

*Post Express*

# *Oge a kara aka….*

**Canada ga-edebe semina maka akorongwa e jiedewe ihe ocha** **1min.**

Ogbako mbu e nwere n'Afrika maka mmeputa akorongwa e ji edewe ihe ocha nke e nwere na Kenya n'onwa Ogostu sitere na 'Agenda 21" (isi nke ano) nke nzuko 'Earth Summit' e nwere na Rio de Janeiro n'afo 1992 nakwa ogbako African Ministerial Conference on the Environment (AMCEN) nke e nwere n'April n'afo 2000. Obu ntuziaka maka semina UNEP 6th High Level maka mmeputa akorongwa e ji edewe ihe ocha nke a ga-enwe na monstreal Canada n'onwa oktoba 2000. Mbunuche bu iji gbanwee aka n'ji ihe ndi e meputera mee ihe nakawa etu esi emeputa ihe.

# *Ngalaba nke Umuaka*

**Mgbada, Onye ako na Uche Megidere Enyiohia na Hippopotamus 9mins. 5secs.**

N'otu oge gara aga, Lalap nkena-azakwa 'Elephant", Nneg nke bukwa 'Hippopotamus' bidewere izum nke a na-akpokwa 'Hare' nso. Ogo na ike Lalap the Elephant' nke bi n'ala ma burukwa eze umuanumanu masiri nnoo izum 'the Hare' nkeoma. N'ihi ikeya kwa, Nneg the Hippopotamus nke bu anumanu gbara agba ma dikwa ike bi na mmiri.

Izum, the Hare, na-echeghari anu nke ka ike n'ime ha abuo. O kpebiri ichoputa nkea. O gakwuru Lalap the Elephant wee si ya na o baghi uru obula n'anumanu ma tuokwara ya onu si 'o buru na anyi abuo nwee asompi ogu, m ga-emeri gi'. Lalap 'the elephant' wee dapu n'ochi. O wee si onweghi ka m si chee na aligara anumanu dika gi bu izum ga-amanye maka n'asompi ogu.

Izum kwetara na ya ga-eme nke a nke mere na Lalap 'the Elephant' mechara si ka o nye ya ohere. Izum weputara ogologo udo wee nye Lalap otu isi ka o jide. O gwara ya na ya ga-eji mkpu wee gwa ya oge o ga-ebido ido eriri ahu. Izum ewee jiri isi udo nke ozo we puo. O jere ruo na mmiri ebe Nneg the Hippopotamus bi.

O manyekwawa Hippotamus aka asompi ogu dika o manyere 'Elephant', Hippopotamus lere ya anya wee si.

'Ezgbomkpari, obere anumanu dika gi bu izum biara imanyeaka asompi'.

Zum gwara ya n'afo ojuju na ya ga-emeri ya ka o gara obere oge, Nneg wee kweta n'amamaka a. Izum wee nye ya njedew isi udo nke ozo wee si ya na ya ga-eji mkpu wee gosi mmalite asompi ha. Owee gaa onodu o chere di mma wee tie mkpu iji gosi na asompi ahu amalitela. Ha abuo wee bido ido ma buru n'obi na obere ihe a ga-ado ga-eme ka e meria izum kpamkpam. Ha abuo adoo doo ma o nweghi nke puru n'onodu ono. Nke o bula n'ime ha jiri ike ya ichoputa ma obukwari izum 'the Hare' n'ado ya. O kpachapuru anya kee udo ahu n'ukwu nnukwu osisi. O wee jiri nwayo gaa n'akuku udo nke ozo. Mgbe o gadewere mmiri nso, o huru na, Hippopotamus' na-ado eriri ahu karia ibu izum. Lalap 'the Elephant' tie.

'A ma m na o bughi izum na-adokpu m, o nweghi ka izum ga-esi nwee ike di etu a.

Hippopotamus elelite anya n'akuku mmiri ma nu Lalap. Ochoputara na o ghoro ya agnugho. O zaghachiri na ya onwe ya ekwenyeghi na o bu o zaghachiri na ya onwe ya ekwenyeghi na o bu izum na-adodo ya na onodu 'Kwuru' n'asompi ogu. Anumanu abuo ndi a wee mee udo ma kwekorita na ha ga-enye 1zum ntaramahuhu na aghugho o ghoro ha mana izumu 'the Hare' jiri oso gbafue.

*Tarok Folktales*

# *Okwu Mmechi*

Were okwu amamihe Afrika I mutara n’ufodu ilu na-enweghi nchefu mere ihe.

**Maka Akparam-agwa**
Ele anaghi eyii akpukpo ukwu enyi
*Ghana*

Nwata nna ya dunyere ohii n- eji ukwu agawa Ibo-uzo
*Uganda*

**Maka idi n’otu**
Umu anumau jiri otu obi biri aguru egbuo agu.
*Nigeria*

Otu mkpisi aka anaghi aguchi ngiga.
*Sierra Leone.*

**Maka Oge**
Mkpuru osisi chara acha anaghi akwu n’elu osisi mgbe ebighi ebi
*Cote d’Ivoire*

Ihe Nwata buu taa ka nna ya buu unyaahu
*Liberia*
*African Proverbs More African Proverbs*